African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

# Nsogbu Nwaanyi Ajadu N'ala Igbo

**Eze, Adaora Mauldine[1] Medolu, Agatha Ọbịageli[2] &Chioma Magdaline Akaeze[3]**

[1]Department of Languages and Linguistics, Ebonyi State University, Abakaliki, Nigeria

[2]Department of Linguistics, Igbo &Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka

[3]Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka

***Corresponding Author's E-mail:*****mezeadaora@gmail.com**

**Ụmị**
Ọnwụ bụ ihe a na-ahụta dịka ihe oke mwute n'omenala Igbo. Nchọcha a ga-agbado ụkwụ na nsogbu nke a na-enye nwaanyịna mpaghara ụfọdụ n'ala Igbo ngwa ngwa di ya lara mmụọ. Ụmụ nwaanyị ndị a na-agabiga ọtụtụ mmekpa ahụ n'ụzọ dị iche iche. Oge nwoke nwụrụ, nwunye ya na-eru ụjụ ọnwụ di ya. Ọ na-atụ anya na ndị mmadụ karịsịa ndị ikwu na ibe ya ga-enwe ọmịiko, agbamume, nkwụdo,ịhụnanya, mkpachapụ anya na nkwado nye ya. Ma ọtụtụ oge, ọ naghị enweta nke a. Mbunuche nchọcha a bụ ka ewepụta ụzọ dị iche iche e si enye nwaanyị ajadu mmekpa ahụ ndị a ma nwee ụzọ mgbapụ nye ajọ mmeso nke a na-emeso ụmụ nwaanyị ajadu ndị a. Nchocha a bu nchocha ndizimma. Atụtụ a ga-agbaso mee nchọcha a bụ atụtụ mmekọrịta ọha nke Seidman (2010) wepụtara. A na-atụ anya na site na nchọcha a, a ga-enwe nchegharị echiche nye mmegide a dị iche iche. Site na nke a, a ga-enwe ezi ikpe nkwụmọtọ na oké nhatanha nye nwaanyị ajadu ọbụla n'ala Igbo. Nchọcha a ga-eme ka e nwee ezi nleta anya nye nwaanyị ajadu ọbụla n'ala Igbo bụ nke a ga-eme ka ọ gbasa n'ala Igbo niile nakwa mba ụwa dum. Site n'ụzọ dị otu a, a ga-enwe ezi ihe mgbanwe banyere ọnọdụ a.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Ọnwụ, Ajadu, Ezinụlọ, Nna na omenala

**Citation of article**:**Eze, A. M, Medolu, A. Ọ.&Chioma, M. A.(2024)**.Nsogbu Nwaanyi Ajadu N'ala Igbo,*African Journal of Politics and Administrative Studies AJPAS,* 17(1):

**Date Submitted**: 03/02/2024 **Date Accepted:** 23/03/2024**Date Published**: June, 2024

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

**English Version**

**Problems of Widowhood among the Igbos of South Eastern Nigeria**

**Abstract:**

In all cultures, death is regarded as a great loss, not just to the family unit but also to the larger society. This research is geared towards having a deeper look into the problems encountered by widows in some parts of the Igbo land once the husband dies. The problems vary from place to place in Igbo land. When a man dies, the bereaved wife mourns her loss and expects sympathy, encouragement, solidarity, love, care and support from other members of the society; especially from the immediate and extended family. Incidentally this is not the case in some African cultures, especially the Igbos of South Eastern Nigeria. This study will proffer solution on how to ameliorate the ill treatments meted out to the widows. This study employs qualitative reseach method. The Social Theory by Seidman (2010) will be used. It is expected that through this research, there will be a re-think on the ill treatments given to the widows in some parts of Igbo land thereby giving room for justice and equity to prevail over the widows. In this way, the Igbo Society will have a harmonous representation as regards the widows which will be spread over the nation and beyond. In this way, there will be great improvement as regards to this situation.

**Key words:** Death, Widows, Family, Father, Culture

**Mkpọlite**

Alụmdi na nwunye bụ njikọ nke nwoke na nwaanyị tozurula ogo ibikọ ọnụ n'ụzọ kwesiri ekwesi ma site n'ụzọ dị otu a hibe ezinụlọ. Ezinụlọ bụ njikọ kasị ochie n'elu ala, ọ na-ekerekwa oke dị mkpa n'ọha mmadụ. N'akụkọ ihe mere eme nile, ezinụlọ ndị siri ike enyewo aka iguzobe ọha mmadụ ndị siri ike. Ezinụlọ bụ njikọ kasị mma maka ịzụlite ụmụaka ịghọ ndị okenye tozuru oke. Ezi ebumnobi a tinyere ịdịnotu na ịhụnanya nke alụmdi na nwunye na-eweta bụ nke ọnwụ na-etibi n'ike. Na ndụ mmadụ, a na-ahụta ọnwụ dịka ihe oke mwute. Ọ bụghị nye naanị ndị ezinụlọ ime kama ọha mmadụ niile. Ọnwụ nna nke ezinụlọ bụrụkwa di nke nwaanyị na-abụ ihe oke mwute. Ihe otiti ya anaghị apụ ngwa ngwa na ndụ ezinụlọ nakwa obodo nke a metụtara.

Ọtụtụ oge ndị nwunye na-adịkarị ndụ karịa di ha dịka Erinne (2006) mere ka amata. N'ihi nke a, oge nwoke bụ dị ya nwụsịrị, nwunye ya ga-aga n'ihu ma nọkwaa ndụ ọtụtụ afọ. Ihe na-ebute nke a bụ maka na ụmụ nwoke na-eji ọtụtụ afọ atọ nwunye ha. Ụfọdụ ụmụ nwoke na-eji afọ iri na ise, afọ iri, afọ asatọ dgz wee tọọ nwunye ha. Anyị mataala na ọka n'ọnụ ọgụgụ ụmụ nwaanyị na-adị ndụ karịa di ha. Ọzọ bụ na oge di ha nwụrụ, ọka n'ọnụ ọgụgụ ụmụ nwaanyị ndị a anaghị enwe mmasị ịga lụghara dị ọzọ maka ịhụnanya ha nwere ebe di ha nọ nakwa iji wee nwee ike ilezi ụmụ ha anya. Nke a kpatara Eze(2003) mere ka amata na ọka

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

n' ọnụ ọgụgụ ụmụ nwaanyị bụ ndị di ha nwụrụ anwụ maọbụ ndị nke a na-akpọ ụmụ nwaanyị ajadu mejupụtara. N'ala Igbo taa, e nwere ọtụtụ ụmụ nwaanyị ajadu kachasị n'ime obodo ebe emepeghi emepe. N'akụkụ ala Igbo ndị a, ị ga-ahụ ndị jirila be di ha mere ebe obibi ndụ ha niile.

N'ala Igbo, nwaanyị di ya nwụrụ na-eru ụjụ ọnwụ di ya ma gabiga ọtụtụ ihe arịrị dị iche iche. N'ihi nke a ọ tụrụ anya inweta nkasiobi, ebere, nleta, ịhụnanya, nkwado na nnọnyere site n'aka ezinụlọ ime ụlọ nakwa ọha obodo. Ọ bụ ihe mwute na omenala nkea bụ ihe anaghị enweta n'ọtụtụ mpaghara ala Igbo. Mmegbu a na-emegbu nwaanyị ajadu n'ala Igbo bụ omume jọgburu udele ma sigbuo nkakwụ. Ọtụtụ oge ụmụnne nwoke nwụrụ anwụ na-amapụ nwaanyị di ya nwụrụ ma napụ ya ihe o rubere ya niile. Ọtụtụ oge a na-ebo Nwaanyị ajadu a ebubo na ọ bụ ya gburu di ya. Ịgbakwasị ụkwụ na nke a, ha na asa di ya nwụrụla anwụ ahụ ma were mmiri ozu nye ya ka ọ ṅụọ. Ọtụtụ mmegide nakwa nsogbu bụ nke nwaanyị ajadu na-agabiga bụ nke anyị ga-elebanye anya dịka anyị na-aga n'ihu n'ihe ọmụmụ a.

N'aka nke ọzọ, anyị chọpụtara na ụmụ nwoke nwunye ha nwụrụ n'ala Igbo anaghị agabiga nsogbu na ihe arịrịdị otu a oge nwunye ha nwụrụ dịka Alcorn (2001) mere ka anyị mata. Ihe nsogbu na mmekpa ahụ niile bụ naanị nwaanyị di ya nwụrụ na-agabiga ya. Nke bụ eziokwu bụ na ọ bụrụ na omenala ndị a nwere ezi ebumnobi, gịnị kpatara ụmụ nwoke nwunye ha nwụrụ esonyeghi na ya? Odee bụ Doka (1996) mere ka amata na o doro ewu na ọkụkọ anya na omenala niile ndị a bụ iji megide ụmụ nwaanyị ma taa ha ahụhụ nke ukwuu .

Ime ka nsogbu nwaanyị ajadu siwanye ike, ụmụọkpụ maọbụ ụmụada na-apụta ihe imegide nwaanyị nọ n'ọnọdụ ọjọọ a. Ụmụọkpụ maọbụ Ụmụada bụ ndị ada agbụrụ ahụ lụọla di. Ọ bụ ha na-ekpebi ụdị nsogbu maọbụ mmekpa ahụ a ga-enye nwaanyị ajadu di ya nwụrụ. Ọ bụ ha bụ okwuchaa ọgwụ nke ihe ọbụla na-eme n'ezinụlọ. Nghọta na echiche ha bụ na nwaanyị bụ nwunye nwanne ha nwoke sitere n'ezinụlọ ọzọ were bịa gbuo nwanne ha nwoke ka o wee buru ego ya. Okeke (2009) dịka ọ dị n'ime akwụkwọ Eze (2003) mere ka amata na ụmụada bụ ndị e legaala anya ka ha bụrụ ndị na-akpa udo n'ezinụlọ bụzi ndị na-agba isi akwara ma hụ na e mere nwaanyị ajadu na-akwa di ya ka ohu.

Isiokwu nchọcha a bụ 'nsogbu ụmụnwaanyị ajadu n'ala Igbo nke mpaghara Saụtụ Isti Naijiria'. Nchọcha a ga- elebanye anya na mmekpa ahụ nwaanyị ajadu na-agabiga n'ala Igbo site n'aka ụmụnne di ya, ndị obodo, ụmụọkpụ maọbụ ụmụada. A ga- elebanye anya na nsogbu ndị a ma nwee ike wepụta ụzọ mgbapụ nye nwaanyị ajadu nọ n' ọnọdụ dị otu a.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

**Mbunuche Nchọcha**

Iji mee ka ezi ebumnobi nke nchọcha a pụta ihe bụ ọnọdụ ụmụnwaanyị ajadu n'ala Igbo, anyị nwere ọtụtụ ihe ndị anyị bu n'obi iji mee ka amata mmekpa ahụ na-esite n'ọnọdụ a apụta ma nyekwa ụzọ mgbapụ. Lee ka ịhụ ebumnobi nchọcha a:

i. Inye nkọwa onye bụ nwaanyị ajadu.

ii. Ịkọwapụta nsogbu maọbụ mmekpa ahụ dị iche iche a na-enye nwaanyị ajadu.

iii. Inyere ụmụ nwaanyị ajadu aka ịchọpụta nsogbu ha ma nye ha ụzọ mgbapụ.

**Ntulerita Agụmagụ**

N'ebea anyị ga-elebanye anya n'ihe ndị ederela banyere nwaanyị di ya nwụrụ n'ala Igbo bụ onye nke a na-akpọkwa nwaanyị ajadu. Anyị ga-ewepụta odee ndị a nakwa echiche ha maka okwu akpụ n'ọnụ a. Site na mbụ e nwere akpa m oke n'etiti nwoke na nwaanyị. Ụmụ nwoke nwere ihe ejiri mara ha ebe ụmụ nwaanyị nwekwara nke ha. Ọtụtụ agbụrụ kwenyere na ụmụ nwoke dị mkpa ma kara mara ihe karịa ụmụ nwaanyị. Dịka Mackenzie (1995) mere ka amata. O kwuru na ọtụtụ ndị mmadụ nwere nkwenye na ụmụ nwoke nwere ihe pụrụ iche e jiri kee ha ebe ụmụ nwaanyị nwere ọrụ nke ha kwesiri ịrụ. Ọtụtụ sosaịti kwenyere na nwaanyị abụghị ihe n'ebe nwoke nọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka ụmụ nwoke ji achị isi n'ụwa. Ikpe nkwụmọtọ na nhatanha n'etiti nwoke na nwaanyị bụ akụkọ ụwa nrọ. Site na nke a, anyị na-achọpụta na akparamagwa na omume onye na-eme bụ nke sitere na ihe nlere anya omenala nakwa okirikiri ya.

Mackenzie(1995) na-eme ka amata na ọtụtụ obodo ụmụ nwaanyị bụ ndị a na-eleda anya, zọtuo n'ala ma nara ha ihe ha n'ike. A na-ahụ ha dịka ndị enweghi ihe ha ga-emenwuri. Tutu oge ugbua n'ala Igbo, ụmụ nwaanyị bụ́ ndị anaghị ekwe ka ha gụọ akwụkwọ. A na-ekenye ha ịlụ di oge ha dị obere ma zụọ ndị nke nwoke n'ụlọ akwụkwọ. Omume dị otu a jọgburu udele ma sigbuo nkakwụ n'ihi na nwaanyị bụ ihe. Okoye (1995) hụtara nke a dịka ikpu isi nke ịrọ otu nwoke na nwaanyị. Ọ kọwapụtara ngharipu o nwere n'ebe ndị obodo nọ nke na-enweghi ike ịghọta ihe ndịiche sitere na okike ụwa nwoke na nwaanyị. Enweghi uru ọ bụla maọbụ ime ka onye ọbụla n'ime ha karịa ibe ya. Ọ gbarụrụ ihu kwuo na o nwere ọtụtụ mmekpa ahụ a na-enye nwaanyị dị ya nwụrụ ma ọ dịghị nke a na-enye nwoke nwunye ya nwụrụ. Ihe kpatara nkea bụ nkwenye na ọ bụ nwaanyị ahụ gburu di ya iji wekọrọ akụ na ụba ya. O kwuru na oge ụfọdụ nke a nwere ike bụrụ eziokwu ma ọ bụghị ya ka a ga-eji me ya ka ọ bụrụ iwu nye nwaanyị ọbụla di ya nwụrụ. Olakitike (2011) kwuru na a na-akwagide nwaanyị ajadu ịgabiga omenala ọjọọ dị iche iche iji gosi na aka ya adịghị n'ọnwụ di ya. Nke a gụnyere ịsachapụta

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

mmiri sitere n'ike nsị ozu di ya ma kwagide ya ịṅụ mmiri ọjọọ a. Ọ bụrụ na ọ dị ndụ oge ọṅụchara nke a, mara na aka ya dị ọcha. N'akụkụ ụfọdụ nke ala Igbo, a na- akpụchapụ nwaanyị di ya nwụrụ ajị ike ya n'ihu ama obodo. Anaghị ekwe ka ụmụ nwoke gabiga ihe ndị a oge nwunye ha nwụrụ na-egosipụta ịkpa oke nke adịghị mma n'etiti nwoke na nwaanyị.

N'akụkụ akwụkwọ nsọ na mpaghara agba ochie dịka ọ dị na (Genesis 12:11-13) anyị hụrụ etu nkwenye na ọ bụ nwaanyị ga-ebula ọnọdụ ọbụla jọrọ njọ siri pụta ihe na ya. N'ebe a, Abraham bụ nna okwukwe dị njikere inye Fero nwunye ya ka o wee zọpụta ndụ ya. Ọzọ n' akwụkwọ (Jensis 19:4-8) Lọt rịorọ ụmụ nwoke ndị Sodom bụ ndị chọrọ ịkwaso ndị mmụọ ozi bịara ileta ha iko ka ha kwaso ụmụ agbọghọ ya na-amaghị nwoke iko.

Echiche nkea na-ezipụta na ụmụ nwaanyị bụ ndị a ga-eji mee ka o si dị onye ọbụla mma ma nupukwa ha. N'akụkụ agba ọhụụ oge eduteere Jizọs nwaanyị na-akwa iko, ọ bụ naanị nwaanyị ka e kwuru maka ya. Akpọtaghịkwa nwoke ya na ya soro kwaa iko aha. Nwaanyị ga-agabiga ntaramahụhụ ma nwoke ga-ala na-enweghi amam ikpe ọbụla. Ma onye nwe anyị Jizọs gbarụrụ ihu n'omume dị otu a. (Jọn.8:3-11).

N'okpukpere ndị Islam, ụmụ nwaanyị bụkwa ndị a na- akpagide ma na-akọcha. Na-agbanyeghi na ha na-ekwu maka nhatanha nwoke na nwaanyị. Shrei(1988) kwuru maka iwu nke kwuru na anụmanụ ụfọdụ karịrị ibe ya. N' ịdabere na iwu a, ọ na-ekwu n'okpuru iwu ndị Islam, a na- ahụta ụmụ nwaanyị dị ka ndị na-enweghi ike ilekọta ihe onwunwe, iwu Islam machibidiro ụmụ nwaanyị inwe ikike ebe ngwo ngwo ma ọ bụ ihe akụ akụ maọbụ ihe enwe enwe nke ha jiri bata n'alụmdi na nwunye ha. Anaghị enye ndị ada ihe nketa ọbụla dịka ahụtara ha dịka ndị ga-alụ di ebe ọzọ. O siri ike nwaanyị ịgba alụkwaghị m dịka nkea megidere ekpemekpe ụka Islam. Clark (1982) gara n'ihu ma kọwaa na ụmụ nwaanyị ndị Islam bụ ndị a naghi ekwe ka ha gagharịa. Nke a kpọrọ puda maọbụ omenala nkechikọ bụ nke ya na nga mkpụrụ ọka bụ otú nye ụmụ nwaanyị niile nke nọ n'okpukpere Islam. Nkechikọ a anaghị ekwe ka nwaanyị nọ na di nwee mmekọrịta n'ogogo mmepe ọbụla. Ntulerita uche na mmekọrịta bụ nke a na-amabidoro ụmụ nwaanyị dị otu a. Anaghị ekwe ka ha nwee echiche nke aka ha, ịtụ aro, ịkparịta nkata n'etiti ha na ndị ọzọ, igosipụta amamihe ha.Ụmụ nwaanyị ndị nọ n'okpuru iwu ndị Islam dị ka anụ nọ n'ogige anụ. Ụdị omume a jọgburu udele ma sigbuo nkakwụ. Ọ bụrụ na emeso nwaanyị omume dị otu a oge di ya dị ndụ, olee etu ọ ga-adị oge di ya nwụrụla?

Kerr(1993) kwuru na otu ekpemekpe Muslim bụ ndị nke a na-akpọ Eleha ekwenyeghi na onye ọbụla ọzọ ga-ahụ nwunye ha anya. N'ihi nkea, ha na-eme ha ka ha yiri uwe mwụda

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

ga-esite n'isi wee rue mkpịsị ụkwụ. Tinyere ụmụ aka ha nwaanyị na-agbanyeghi afọ ole ha dị. Ihe ha ji ahụta ụwa bụ obere ihe ntupu ntupu ha jiri kpuchie ihu ha maọbụ obere ihe mkpọpu n'ihu akwa ha. Nke a bụ ụzọ eji eke nwaanyị nọ na di na ụmụ nwaanyị ya agbụ. Ụmụnwoke ndị ọzọ anaghị ekwe ka nwunye ha site n'ụlọ pụọ n'iro ma ọlị. Ọrụ ha bụ nwoke idina ha ka o siri chọọ nakwa ịmụkasa ụmụaka. Nke a bụ ime nwaanyị ka ọ bụrụ ohu n'aha ekpemekpe. N'aka nke ọzọ ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-ahụta ọnọdụ a dịka ụzọ kwesiri ekwesi iji zipụta ezi ndụ ime mmụọ. N' ụzọ dị otu a ka ha si eziputa nsogbu ụmụ nwaanyị na-agabiga n'aka di ha n'ekpemekpe ndị Islam. Ụmụ nwaanyị ndị a na-ahụta nsogbu karịa oge di ha nwụrụla.

Site na echiche ndi Odee ndị a, anyị hụtara na mmekpa ahụ nke nwaanyị ajadu sitere na nkewa nakwa nleda anya nke a na-eleda ụmụ nwaanyị site na mpụta ụwa ha. Ọ bụ ya kpatara e jiri nwee obi imesike nke ukwuu nye nwaanyị na mba dị iche iche nakwa Okpukperechi dị iche iche. Nke a pụtakwara ihe n'ala Igbo dịka Henderson (1972) mere ka amata. O kwuwara na mgbe nwaanyị nwụrụ, oge di ya ji akwa ya na-adị nke nke na enweghị ntaramahụhụmaọbụ mmesike na-eso ya. Ihe ọzọ bụ na-akwam ozu nwoke na-ada ụda karịa akwam ozu nwaanyị. Olee ihe kpatara ịkpa oke a? Ihe dị onye mma dịkwa chi ya. Ọ bụrụ na emegbuo nwaanyị napụ ya ikikere ya ma bo ya ebubo na ọ bụ ya gburu di ya, olee ihe mere na ọdịghị etu a nye nwoke oge nwunye ya nwụrụla? N'omenala Igbo, asị na nwoke bụ odogwu, nwoke nwe ụlọ, nwoke adị njọ dgz. N'ihi nke a, nwaanyị ga-abụ onye a ga-echigbu oge di ya nwụrụ. Ọ bụ nke a kpalitere isiokwu nchọcha a nke na-eleba anya na nsogbu nwaanyị ajadu n'ala Igbo nke saụtụ Isti Naịjiria'.

**Atụtụ Nchọcha**

Nchọcha ọbụla na-enwe ebumnobi eji banye na ya. Ebumnobi a na-esitekarị na nsogbu nke dịrịla bụ nke ndị ọchọcha chọrọ ileba anya ma nye ụsa. Iji nweta ụsa, a ga- agbaso ụzọ kwesiri. Ụzọ a na-agbaso were enweta ụsa ka a na- akpọ atụtụ. Dika nchọcha a nke isiokwu ya bụ ' nsogbu nwaanyị ajadu n'ala Igbo' anyị ga-agbaso atụtụ njikọta otu site na omenala (organizational culture theory). Nke a sitere n'aka Seidman (2010). Ọ chọpụtara na omenala ụfọdụ na-ejikọ otu ma mee ka onye ọbụla gakọọ ọnụ. Atụtụ a na-ekwu na otu ọbụla kwesiri inwe ezi obi, ịdị n'otu, ịhụnanya, aro dgz. N'aka nke ọzọ, atụtụ a na-emegide ihe ọbụla ga-eme ka omenala otu ọbụla ghara ịgbaso ezi atụmatụ a. Ihe ndị dị ka mmegbu, obi ọjọọ, arụrụmala, mmegide na mmesike n'ụzọ ọbụla. Ọ bụ n'ihi nke a ka e jiri were atụtụ a iji wee belata maọbụ kwụsị kpam kpam ntaramahụhụ na nsogbu ndị a na-enye nwaanyị ajadu n'ala Igbo. Ịgbaso atụtụ a ga-eme ka e nwee ezi mmeso ya na e mee onye ka e mere ibe ya obi a dị

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

ya mma. Site n'ụzọ dị otu a, a ga- akwụsị ajọ nsogbu nke nwaanyị ajadu n'ala Igbo ma kwalite omenala Igbo.

**Ntọsasị na Nnyocha Data:**

N'ebe a, anyị ga-atọsasị na wepụta ọkpụrụkpụ echiche nke anyị jírí guzobe nchọcha a. Nke a ga-eme ka onye ọbụla sonye nke ọma n'echiche ọchọcha. Anyị ga-ahazi ya n'ụzọ atọ nke gụnyere:

i. Nkọwa onye bụ nwaanyị ajadu

ii. Ịkọwapụta nsogbu maọbụ mmekpa ahụ dị iche iche a na-enye nwaanyị ajadu

iii. Ụzọ mgbapụ nye nsogbu nwaanyị ajadu.

Ka anyị leba ha anya n'otu n'otu :

i. Nkọwa onye bụ nwaanyị ajadu:

Nwunye bụ onye jikọrọ onwe ya ọnụ nye nwoke ọzọ site n' omenala alụmdi na nwunye ha abụọ e wee ghọọ otu ahụ na otu ezinụlọ(Medolu 2023). Dịka omenala Igbo siri dị, nwaanyị ga-anọ n'okpuru di ya, na-erubere ya isi, na-ahụ ya n'anya oge niile nke ndụ ha. Ọ gaghị esokwa nwoke ọzọ. Ọ na-abụ ihe obi mgbawa nye nwaanyị na ọtụtụ oge, na-akaghị aka, ọnwụ adapụta. Ogbukagu (1997) kọwara na mpụtara ọnwụ n'ala Igbo bụ mmadụ isite n'ụwa ndị dị ndụ pụa ma banye n'ụwa ndị mmụọ. Akwụkwọ nsọ Baịbụl na (Romans 5:12) kwuru sị 'N'ihi nke a dịka mmehie si n'aka otu mmadụ bịa n'ụwa, dịka ọnwụ si n'aka mmehie bịakwa, ọnwụ wee si etu a gabiga rue mmadụ niile. N'ihi na mmadụ niile mehiere' Ndị otu Kraịst kwenyere na ọ bụ mmehie kpatara ọnwụ. Nchịkọta ya bụ na mmadụ ọbụla e kere eke nwere oge ịdị ndụ na oge ịnwụ anwụ.

Ọnwụbụ ụdọ nke kekọtara mmadụ niile ọnụ. Onye ukwu na-anwụ, onye nta na-anwụkwa, Okorie (1996). Igbo na-aza aha sị na Ọnwụamaonyeukwu, Ọnwụamaeze, Ọnwụdịnjọ, Ọnwụbiko dgz. Ọnwụ anaghị aka aka, ọ naghị ekwu oge, ebe, ụzọ na ụdị ọ ga-esi bịa. Ọ bụ ụgwọ onye ọbụla ji. Ọ bụ ọnwụ na-ekewa mmadụ pụọ n'ebe ndị ọzọ nọ. Etuosiladị, nkewa a anaghị adị mfe n'ihi na ndị dị ndụ na anọgide n'ihe mgbu nke ọnwụ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a na-eweta nkewa na-etiti di na nwunye maọbụ nwunye na di oge otu onye n'ime ha hapụrụ ndụ a wee laa obodo afụdebe. Ọ bụ nwaanyị hụtara onwe ya n'ọnọdụ nke di ya ịhapụ ya laa ala mmụọ ka a na-akpọ nwaanyị ajadu n'ala Igbo, Nwadinobi (2008).

Ọnọdụ a na-agbawa nwaanyị di otu a obi, ọtụtụ oge ụmụaka ya na ahụtakwa ihe mgbawa obi a. Nwaanyị ajadu na-ebe akwa di ya ụbọchị niile nke ndụ ya. Ihe ike nke ọnwụ na-adakwasị nwaanyị ajadu oge akwachara di ya ndị bịara ịnọnyere ya wee lọghachi.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Nwaanyị a na-ahụta onwe ya nke ọma n'ụwa ọhụrụ nke onwetere onwe ya. Ụwa nke ịtọgbọrọ naanị ya na-enweghi onye nkwughari ọnụ. Na-agbanyeghi afọ ole nwaanyị dị oge di ya nwụrụ, ọnwụ di ya na-ekpo ya ka ose. Ya mere e jiri kwuo na ọnwụ di na-egbu ogori. Lee ụfọdụ okwu sitere n'ọnụ ụmụ nwaanyị ajadu iri. Anyị ga-edepụta ha na Bekee ma tụgharịa ha n'asụsụ Igbo.

First widow (English)

'I have buried my child, and as well buried my parents. In all these my experience of death, none was as painful as the death of my husband'.

| S/n | Widow | English gloss | Igbo gloss |
|---|---|---|---|
| 1. | First widow | 'I have buried my child, and as well buried my parents. In all these my experience of death, none was as painful as the death of my husband'. | E liela m nwa m, e likwaala m nne na nna m. Ma onweghi nke n'ime ha gburu m mgbu n'obi dịka ọnwụ di m' |
| 2. | Second widow | I lost not only my husband, but my best friend and father of my three children. I lost the economic security provided by a two- income household, a wonderful marriage, the possibility of raising our small children with John and growing old together. My children thought death was a temporal place like going to | Ọ bụghị naanị di m nwụrụ, kama ezi enyi karịsịrị enyi nakwa nna nke ụmụaka atọ m. E nwetara m enweghi nkwado nke ihe nweta ego, alụmdi na nwunye nke enweghi atụ, olileanya nke mụ na Jọn izụlite ụmụaka anyị nakwa imekọ okenye ọnụ. Ụmụ m chere na ọnwụ bụ ka e jee ka a pụta dịka ị ga-ọrụ maọbụ ime njem. Ịmatụ Ashley bụ nwa anyị nke gbara afọ atọ jụrụ m sị, ' Nne ma nna anyi nwụsịa ọnwụ, ọ ga- alọtakwa ụlọ ma mee m ka m rahụ ụra n'ihe ndina |

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | work or traveling. For example Ashley the three year old would ask me ' Mommy when Daddy finishes dying is he going to come home and tuck me in?' | akwa? |
| 3. | Third widow | 'Watching my husband slip away was the hardest thing I've ever experienced. But, I choose to focus on the love and the moments that brought us Joy. He may be gone, but his presence will always guide me through life's challenges'. | 'Ịji anya m hụta ka di m na-anwụ bụ ihe kachasị ihe nke m hụtaworo. Ekpebiri m itinye uche m n'ịhụnanya na oge nke jikọtara anyị ọnụ n'ọṅụ. Ọ nwụọla ma ncheta ya ga-edubiga m n'ihe ịmaaka niile nke ndụ a'. |
| 4. | Forth widow | 'His absence is like a constant ache in my heart. I miss his laughter, his hugs, and all the way he always knew how to make everything better. Life will never be the same without him' | Ọnọdụ nke ahụghị ya anya na-akụ m ka isi ọwụwa oge niile n'obi m. Ana m echeta na mwute mmụrị amụ ya, obibi ọma ya, na etu o si eme ihe niile oge dum ka ọ ka mma. Obibi ndụ agaghị adịkwa ka ọ dị ọzọ ebe ọnọghị'. |
| 5 | Fifth widow | 'After my husband passed away, I felt like drowning I felt like I was drowning in sorrow. Every day is a | 'Ka dim nwụsịrị, ọ na-adị m ka m na-achọ inwubiga n'ihe oke mgbu na mwute. Ụbọchị ọbụla na a bụrụ m ọgụ na mgba ma m ahụghị ya n'akụkụ m '. |

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | struggle without him by my side' | |
| 6 | Sixth widow (English) | 'Losing my husband feels like loosing a part of myself. He was my rock, my soulmate, and my best friend. The pain is unbearable, but I gain solace in the memories we shared and the love that will always remain in my heart' | ' Ọnwụ di m dịka otu akụkụ ahụ m ịnwụ. Ọ bụ ike m, ọ dị n'obi m na ezi ọyị m. Ihe mgbu a, ekweghi m edi. Ma ana m enwe nkasi Obi site na icheta ezi mbikọ anyị na ịhụnanya nke na-adịgide anyị n'obi'. |
| 7. | Seventh widow (English) | 'Every corner whispers memories of our shared past, reminding me of the love we cherished and the life we built together'. | Ntụgharị n'asụsụ Igbo: Akụkụ niile na-ekwu maka ncheta nwekọ anyị gara aga, na echetara m ịhụnanya nke anyị kekọtara na ndụ nke anyị wukọtara ọnụ. |
| 8. | Eighth widow | 'Our dreams remain unfinished, your absence living a void in our plans for the future. How can I move forward without you'. | Ntụgharị n'asụsụ Igbo: ' Ebumnobi anyị niile bụ nke emezubeghi. Ọnwụ gị bụ ihe mkpudo nye atụmatụ anyị n'ọdịnihu. Olee etu m ga-esi gaa n'ihu ma ịnọghị ya? |
| 9. | Ninth widow | 'Who am I now without you by my side? Your presence defined my purpose, and now I search for meaning in | ' Onye ka m bụ ma ewezuga gị n'akụkụ m? Gị ịnọdụ m nso na-eme ka ihe m ga-abụ pụta ihe. Ugbu a ana m achọ ịmara ka ọnọdụ ga-adị n'ụwa ọhụụ nke a. |

https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | this new reality'. | |
| 10. | Tenth widow | In the silence of night, I reach out for your warmth, finding only emptiness. How I long for the comfort of your embrace'. | ' Ana m achọ inweta ekpomọkụ sitere na gị n'oge idele jụụ nke abalị, ma nke a erughị m aka. Ana m achụsị ike ndajụ obi nke sitere na ibi ọma gị'. |

Nkọwapụta nsogbu maọbụ mmekpa ahụ dị iche iche a na-enye nwaanyị ajadu n'ala Igbo mpaghara Saụtụ Isti nke Naịjiria:

N'ala Igbo, nwaanyị ajadu na-enwetakarị mmekpa ahụ dị iche iche. Mmekpa ahụ ndị a na-emebe.

i ugwu nwaanyị, ikwenye n'ihe nke onwe nke nwaanyị dị otu a. Oge ọbụla nwoke nwụrụ, a na-ekwenye na ọ bụ nwunye ya gburu ya. Iji gosipụta na aka ya dị ọcha. Nwaanyị ajadu na-enwetakarị mmekpa ahụ ndị a karịsịa ma ọ bụrụ na ya na di ya adịghị n'udo oge di ya dị ndụ. Ọ dịkwa njikere ime ihe ọbụla gbasata omenala oge di ya nwụrụ iji gosi na aka ya dị ọcha. Mmeso ọjọọ a na-enye nwaanyị ajadu n'ala Igbo na-agbanwe site na otu obodo gaa n'obodo ọzọ.

Ụfọdụ n'ime omume ndị a gụnyere:

i. Ọ bụ n'ute dị n'ụsọ ekwu ka a na-enye ya ọnọdụ. Ya na ụmụ nwaanyị ndị ọzọ bịara ileta ya. Oge ụfọdụ, a na-asị ya nọdụ n'ala ọkpọrọ. Ọ bụkwa ebe ahụ ka ọ na-ehi ụra. A na-amachibido ya ịnọdụ n'oche ga-adị ya mma n'ahụ. Omume a na-egosipụta iwetu nwaanyị dị otu a ala. Ebumnobi ha ji emekarị nkea n'ala Igbo bụ maka na ha kwenyere na di bụ ugwu. N'ihi nke a nwaanyị di ya nwụrụ, a na-akpụ ugwu ya n'ala n'ihi na di ya o ji eko bụkwa ugwu ya alaala mmụọ.

ii. N'ụfụdụ obodo n'ala Igbo, anaghị ekwe nwaanyị ajadu ka ya na mmadụ ọbụla kparịta ụka oge ọ na-akwa di ya. A na-eche ya nche oge ọbụla iji hụ na emezuru nke a. Onye ọbụla tụpụrụ nwaanyị ajadu ọnụ ga-esoro ya ma nweta nnukwu ntaramahụhụ.

iii. Olakitike (2011) mere ka amata na akụkụ ụfọdụ n'ala Igbo, a na-akwagide nwaanyị ajadu ịgba ọtọ ma dina n'akwa ebe ozu di ya dina. Ọ ga-agba ọtọ ma dina n'ebe ozu di ya dị

17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

abalị niile ganye na chi efoo. Ha na-eme nke a iji chetara ya mmekọrịta edina nke ya na di ya nwere oge di ya dị ndụ.

iv. N'ebe ụfọdụ n'ala Igbo, a na-eji ngaji na efere ruru unyi wee nye nwaanyị ajadu nri ganye na ọ kwachaa di ya.

v. Tinyere nke a, ụmụada na-akwagide nwaanyị ajadu a ibe akwa. N'oge ụfọdụ nke ụbọchị, ha na-eme nke a iji gosipụta na ọnwụ di ya na-ekpo ya ka ose. Ma ọ bụrụ na nwaanyị a ajụ ibe akwa, ndị ụmụada a ga-eti ya ihe wee tipụta ya anya mmiri. Ịkwagide ibe akwa a bụ iji gosipụta ịhụnanya o nwere ebe di ya laala mmụọ dị. A na-akwagide ya ibesi akwa ike maọbụ tisie mkpu ike n' oge ụfọdụ n'ụzọ ụtụtụ, oge ehihie maọbụ oge abalị. Ha na-amata ibe akwa nke dị mma site na etu o si tie mkpu akwa nakwa anya mmiri ole pụtara ya n'anya. N'obodo ụfọdụ, anaghị ekwe ka nwaanyị ajadu were aka ya fichaa anya mmiri. A na-agwa ya ka o bere akwa jezuo ala ubi ha niile. A na-akwagide ya itu di ya aha dịka ọ na agagharị n'ala ubi ndị a. Nwaanyị ajadu ọbụla nupuru isi n'ime ihe ndị a bụ onye a ga-ebo ebubo na ọ bụ ya gburu di ya.

vi. Nsogbu ọzọ ndị ụmụ ada na-enye nwaanyị ajadu bụ ịgwa ya ka o sitere di ya nri. Oge ụfọdụ dịka o sichara nri a, ndị ụmụada na-asị na ọ dịghị ụtọ ma kwagide ya isi nri ọzọ. Ọ ga-aga n'ihu isi nri a ganye na ha ekweta na nri ahụ adịla ụtọ. Ọ bụkwa ụmụada ga-erikpọ nri ahụ niile.

vii. Tinyere nsogbu ndị a bụ na ụbọchị ili ozu, ha na eji ololo karama wara awa maọbụ rezọ dị oké nkọ wee kwochapụ nwaanyị ajadu a isi. Akụkụ ala Igbo ụfọdụ na-akpụchapụkwa ya ajị mkpa abụ nakwa ajị ihu ụkwụ ya. Ndị Igbo kwenyere na ịchọ mma nwaanyị bụ nke di ya. N'ihi nke a nwaanyị di ya nwụrụ ga-eru unyi, dị nghangha ma na-esikwa usi. Nke a pụtara ihe site na anaghị ekwe ya ka ọ saa ahụ oge kwesiri nakwa bọọ isi ya abọ.

viii. N'akụkụ ụfọdụ n'ala Igbo, a na-akwagide nwaanyị di ya nwụrụ ịwụfe akpatị ozu di ya. Ọ bụrụ na ọwụfee ya mara na aka ya adịghị n'ọnwụ di ya. Ma ọ bụrụ na onweghi ike ime nke a, a ga-ebo ya na ọ bụ ya gburu di ya.

ix. Ọzọ, ụfọdụ omenala n'ala Igbo na-amabido nwaanyị di ya nwụrụ ịhụ ozu di ya. Ihe ha ji eme nke a bụ ka nwaanyị ahụ wee nwee ike idina nwoke ọzọ n'ihi na ha kwenyere na nwaanyị hụrụ ozu di ya agaghị edina nwoke ọzọ. Udemezue (2001) mere ka amata n'akụkụ ụfọdụ n'ala Igbo, a na-ahụta nwaanyị ajadu dịka onye mere arụ. Nke a kpatara a na-amapụ ya n'obodo. Anaghị ekwe ka mmadụ ọbụla kwe ya n'aka ruo otu afọ. Onye chọrọ inye ya ego ga-atụpụrụ ya ego n'ala.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

x. A na-akpa nwaanyị ajadu na-amụtaghị nwa maọbụ na-amụtaghị nwoke eze oge di ya nwụrụ. A na-anapụ ya ihe niile di ya nwere bụ ihe akụ akụ na ihe enwe enwe. Nke nwaanyị ajadu na-amụtaghị nwa na-aka njọ. A na-achụpụ ya be di ya oge di ya nwụsịrị. Ma bodo ya ọtụtụ ebubo dị iche iche.

Na mmegbu niile ndị a a na-emegbu nwaanyị ajadu, nke kacha bụ mmetọ a na-emetọ ya, Effah (1995). N'ụfọdụ obodo n'ala Igbo, e nwere omenala abụọ nke ịkwaso nwaanyị iko n'ike. Nke mbụ bụ oge o kwere izu atọ elichara di ya, eze arụsị bụ Aja anị na-eduru nwaanyị di ya nwụrụ gaa n' otu ebe. Ọ ga-anọdụ ebe ahụ mee ọtụtụ ihe n'isi nwaanyị a wee kwaso ya iko ma ọ chọrọ ya ma ọ chọghị ya. Omenala ọzọ bụ nke a na-akpọ ichiiyiili ' fetching water from ten streams'kedu obodo na-eme nke a?Nke a pụtara iduru nwaanyị ajadu a gaa na mmiri ebe ụmụ nwoke iri ga-amanye ya ma kwaa ya iko n'ike. Ma ọ chọrọ ya ma ọ chọghị ya. Ọ jụ na ọ gaghị eme ihe ndị a, a na-amapụ ya n'obodo. Ọ gaghị ere maọbụ zụrụ ihe n'obodo ahụ.

**Ụzọ Mgbapụ Nye Nsogbu Nwaanyị Ajadu n'ala Igbo**

Site na nchọcha anyị merela, anyị achọpụtara na nwaanyị ajadu nọ na nsogbu dị oke egwu n'ala Igbo. Ọ bụ nsogbu ndị a mere na aghaghị ilebanye anya n'ụzọ a ga-esi nyere nwaanyị nọ n'ọnọdụ a aka. Ka anyị hụta ụfọdụ n'ime ụzọ ndị a:

i. Ọhaneze, ezinụlọ na ndị Okpukperechi dị iche iche kwesiri imere nwaanyị di ya nwụrụ ebere ma chekwaba ya pụọ na mmekpa ahụ dị iche iche nke ọ na-ezute. Ụfọdụ ezinụlọ nakwa ndị ụka na-enye ụmụ nwaanyị ajadu ezi nleta anya. N'ụfọdụ ezinụlọ, ha na-eduru ụmụ nwaanyị di ya nwụrụ ma zụọ ha n'akwụkwọ karịsịa n'obodo ndị mepere emepe. Ha na-agba mbọ ịhụ na nwaanyị a nwere ezi ihe ọ na-eme iji nyere ya aka leta onwe ya nakwa ụmụ aka ya. N'obodo ndị mepere emepe, a na-eweli ụmụ nwaanyị ajadu n'ebe dị elu.

ii.Nwaanyị na-emeghi okenye nke di ya nwụrụ kwesiri ịhapụ ka ọ rụgharịa di ọzọ ma ọ bụrụ na nke a bụ ọchịchọ obi ya. N'akwụkwọ nsọ e nyere nwaanyị ajadu ikikere ịlụgharị dị ọzọ." Ya mere anamezube ka ụmụ agbọghọ ndị dị ha nwụrụ lụrụ di, mụ kwa ụmụ, na-achịkwa ezinụlọ ha,gharakwa inye onye nemegide anyị ihe o geji kwutọ" (1Timothy 5:14). A na-adụ ya ọdụ ka ọ lụrụ di nke nwoke na-enweghi nwunye. Ụmụnne nwoke nwụrụla anwụ agaghị egbochi nwaanyị a ịlụ di ọzọ n'ihi na ọtụtụ oge ha na-ewere nwaanyị a na ọ bụrụla ihe nketa ha. Nkuzi nke ndị ụka Kraịst bụ na ọ bụ ọnwụ na-ekewa di na nwunye.

iii. Ụzọ ọzọ nwaanyị ajadu ga-esi merie n'ọnọdụ a bụ site na ịmata ikikere o nwere n'ebe ihe akụ akụ na ihe enwe enwe ha dị. Ikikere a dị n'iwu e debere n'ala anyị maka ụmụnwaanyị nke dị na atịkụl 23. Nwaanyị ajadu nwere ikikere ebe ihe nweta di ya na ebe ihe nweta nke ya

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

onwe ya dị. Oge enweghi iwu gọọmenti etiti nke lebara anya n'ọnọdụ ụmụnwaanyị ajadu, ụmụnwaanyị ajadu were mgbado kee n'ukwu ma guzobe otu dị iche iche na-ahụ maka ụmụnwaanyị ajadu nke otu n'ime ha bụ Widos Developmenti Ọganịzeshọn (WIDO). N'afọ 2001, otu a gara n'ihu ma buo agha megide ọtụtụ mmegbu na mmekpa ahụ a na-enye ụmụnwaanyị ajadu. N'afọ ya ọzọ bụ 2002, Gọọmenti Steeti Enugwu binyere aka itinye n'iwu megide ọnọdụ ọjọọ nke imegbu nwaanyị ajadu. Nke a bụ nke mbụ ya n'ala Naịjiria. Ndị otu a na-agbasị mbọ ike ịhụ na nke a gbasara n'ala anyị dum.

iv. Nwaanyị ajadu dịka mmadụ Chukwu kere eke nwere ikikere ịdị ndụ. Ikikere iwu nke mba ụwa gbaa gburugburu gụnyere ndị a n'asụsụ Bekee" Universal Declaration of Human Rights (UDHR ), International Covenant on Civic & Political Rights ( ICCPR ) nakwa nke a kpọrọ " The International Covenant on Economic and Social Rights ( ICESCR) ". Na mba Afrika, otu a kpọrọ "African Charter on Human and People's Right". N'ala Naịjiria, iwu nke afọ 1999 nyere ikikere nke ịdị ndụ. Ọ bụ ikikere niile ndị a ka nwaanyị ajadu ga-agbado ụkwụ mata na mmadụ ọbụla apụghị ịla ndụ ya n'iyi.

**Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha a bụ nke lebara anya na nsogbu nwaanyị ajadu n'ala Igbo bụ nke ndị ọchọcha kpọrọ omimi wee wepụta mpụtara nwaanyị ajadu. Ha mere nke a site na ileba anya n'ihe odee dị iche iche dere banyere nwaanyị ajadu. Ndị odee ndị a nyere nkọwa ma wepụta ọnọdụ dị iche iche nke nwaanyị ajadu n'ala Igbo nakwa akụkụ ala anyị ndị ọzọ.Mmekpa ahụ na mmegbu a na-enye ụmụnwaanyị ndị nọ n'ọnọdụ a bụ nke akọwapụtara nke ọma. A gbasoro atụtụ mmekọrịta ọha nke Seidman (2016) wee mee nchọcha a. A gara n'ihu wee tọsasịa isiokwu a n'ụzọ atọ nke gụnyere:

i. Nkọwa onye bụ nwaanyị ajadu.
ii. ii. Ịkọwa nsogbu maọbụ mmekpa ahụ dị iche iche a na-enye nwaanyị ajadu
iii. iii. Ụzọ mgbapụ nye nsogbu nwaanyị ajadu. Nkega nile ndị a gara n'ihu ma tụlie ihe dị na ya.

N'ikpeazụ anyị chọpụtara na ụmụ nwaanyị ajadu bụ ndị a na-eleda anya ma na akpagbu n'ebe ọ dị ukwuu n'ala Igbo. Ma ugbu a, ọnọdụ agbanweela. Ụmụnwaanyị ajadu nwere ikikere nye ihe nweta na akụnụba di ha. Gọọmenti na otu dị iche iche a pụtara ihe ugbu a ikwuru nwaanyị ajadu ọnụ ya. Ihe ndị a na-egosipụta na mmadụ ọbụla agaghị ewepụta aka megide nwaanyị ajadu ọbụla.

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

A tụrụ anya na site na nchọcha a, omenala ọjọọ nke ndị Igbo megide nwaanyị ajadu ga-abụ ihe a kwụsịrị ma nabata echiche ọhụrụ nye nwaanyị nọ n'ọnọdụ a. Site n'ụzọ dị otu a, a ga-akwalite ezi mmekọrịta, ezi akparamagwa, ezi ilezi anya nye nwaanyị ajadu ọbụla n'ala Igbo nke na-agabiga arịrị ọnwụ di ya wee mee ka ezi udo chịa n' ọnọdụ a n''ala Igbo.

**Edemsibịa**

Alcorn, R. (2001). *Safely home*. Wheaton, Illinois: Tyndale House Publishers Inc.

Clark, P. B. (1982). *West Africa and Islam: A study of religious department from the 8th to 20th century.* London: Edward Arnold.

Doka, K. J. (1996). *Living with grief after sudden loss.* Grand Rapids, Michigan: Hospice foundation of America.

Effah, J. (1995). *Unequal rights: Discriminating laws and practices against women in Nigeria.* Lagos Island: Center Page Ltd.

Erinne, D. E. (2006). *Light beyond the dark tunnel.* Lagos Island: Center Page Ltd.

Eze, A. C. (2003). *Biblical approach to widowhood: Northern Enugu as a case study.* Lagos: Neighborhood Writers and Publications.

Henderson, R. N. (1972). *The king in every man*. Yale, British Columbia: Yale University Press.

Kerr, J. (1993). *Ours by right: Women's right as human rights.* London: ZEB Books.

Life Application Study Bible, New Living Translation. (2004). Wheaton, Illinois: Tyndale House Publishers, Inc.

Mackenzie, L. (1995). On our feet. Taking steps to challenge women's oppression. Enugu: Nucit Publishers.

Medolu, C. C. (2023). *Insidious lies.* Awka: Optimum Press.

Nwadinobi, E. A. (2008). *Widowhood facts and feelings and the law*. UK: Widows Development Organization &Sigrid Rausing Trust.

Ogbukagu, I. K. N. (1997). *Traditional Igbo beliefs and practices.* Owerri: Novelty Industrial Enterprises.

Okeke, C.C. (2009). *The Christian pastoral challenges of widowhood practices among the Igbo of Nigeria.* Enugu: Victojo Production Services.

Okorie, C. J. (1996). *Widowhood among the Igbos of eastern Nigeria.* Enugu: Nucik Publishers.

Okoye, P.U. (1993). When the Man Dies. Nucit Publishers, Enugu, Nigeria.

Seidman, D. (2010). *Contested knowledge: Social theory today*. New York: John Wiley & sons.

Shreir, S. S. (1988). *Women's movement of the world.* Essex, UK: Longman Group UK Ltd.,

African Journal of Politics and Administrative Studies (AJPAS) Copy Right: © Author (s)
17(1) (June, 2024)1259-1275
Available online at https://www.ajpasebsu.org.ng/
https://dx.doi.org/10.4314/ajpas.v17i1.60 p-ISSN: 2787-0367;e-ISSN: 2787-0359

Udemezue, G. (2001). *Widows and the violation of their rights in the south east.* Lagos Island: Center Page Ltd.